# Ntụle Olu Ndị Odee Iduuazị Ụfọdụ Dị Ka Enyo Nghọta Ọnọdụ Na N'ihe Ha Dere

**Obiageli T. Nsolibe & Chieso E. Oluka**

Ngalaba Linguistics/Igbo
Mahadum Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu Ke Igbariam

**Ụmịedemede**

Edemede a lebara anya n'ịtụle olu ndị odee iduuazị ụfọdụ dị ka enyo nghọta ọnọdụ ha n'ihe ha dere. N'ihi enweghị mmasị ịgụ akwụkwọ iduuazi ka ọgụụ were mata ọnọdụ odee mere o ji hụ iduuazị e dere otu o si hụ ya kpaliri mmụọ nwanchọcha ime nchọcha a iji mee ka ọhanaeze mata ọnọdụ ya n'agụmagụ iduuazị ya bụ enyo e ji ahụta onye odee n'ihe o dere. Nwachọcha ji atụtụ dikọnskrọnshọn nke sitere n'echemeche Jacques Derrida were mee nchọcha ya. A gbasoro usoro kenkọwa were mee nchọcha a. Nwanchọcha chọpụtara na olu odee bụ ọrụ nka e ji eleba anya n'ọnọdụ odee nọ na ya wee dee agụmagụ ya bụ etu e si achọpụta nke ọma ebe na otu agụmagụ nọrọ kwesị ekwesị, bụrụ ihe ọhanaeze ga-eṅ omi ma sị na ya mụta ihe ga-agbanwe nghọta na agwa ha. A chọpụtakwara na olu na-eleba anya n'ihe gbasara onye dere ya bụ agụmagụ, etu obi ya siri wee dị n'agụmagụ ahụ na ihe ọ chọrọ ka ndị mmadụ si na ya mụta. N'ikpeazụ, nwanchọcha tụnyekwara alo ka ndị odee agụmagụ Igbo na-ewebata akanka n'agụmagụ ha na-ede nke ha tụrụ anya na ndị Igbo ga na-agụ iji mata ihe ndị ha amaghị, matakwa ọnọdụ ha bụ ndị odee n'ihe ha dere.

**Ndubanye**

N'ide agụmagụ, odee na-eche echiche maka ndị ga-ege ihe ọ ga-akọ maọbụ ndị ga-agụ ihe ọ ga-ede. N'ihi ya, ọ na-eji akanka pụrụ iche dee maọbụ hazie akụkọ ya n'ụdị ga-atọ ndị na-agụ ya ụtọ ọgụgụ maọbụ ọ tọọ ndị na-ege akụkọ ahụ ụtọ igere ya ma kpalikwa mmụọ ha. Nke a ga-eme ka ha nwee mmasị ma nọdụ gerewe ihe akụkọ ahụ na-ekwu maọbụ ha agụrụ ihe odee dere ruo na njedebe. Nke a pụtara na n'edemede, aka nka odee na otu o siri hazie ihe o dere dị nnukwu mkpa ime ka ndị nwe agụmagụ ahụ maọbụ ndị na-ege maọbụ ndị na-agụ ya nwee nnukwu mmasị ịgụ maọbụ ige agụmagụ ahụ. Ọ bụ eziokwu na agụmagụ bụ akụkọ e chepụtara echepụta, a rọrọ akụkọ ahụ arọ mana ihe ndị e jiri kọọ akụkọ ahụ ndị gụnyere agwa dị n'akụkọ ahụ na ihe a kpọgasịrị aha n'agụmagụ ahụ bụ ihe ndị a na-ahụ n'ọhaobodo ahụ.

Uzochukwu (2007) kọwara agụmagụ n'akwụkwọ ya dị ka, "Ederede ekwuruekwu e jiri asụsụ chọọ mma nke na-enye onye gụrụ maọbụ nụrụ ya obi añụrị pụrụ iche". Ọ gara n'ihu kwuo na agụmagụ bụ akọmakọ nke a na-esite n'agwa na mmewere agwa dị n'akụkọ ahụ were ezipụta ihe dị iche iche ndị mmadụ na—agabiga na ndụ nakwa echiche dị iche iche. Nke a na-egosi na ndị odee agụmagụ na-agba n'anwụ ọnọdụ ụwa na akụkọ ndụ dị iche iche site n'ọrụ agụmagụ ha.

Meye (1997) n'aka nke ya kọwara na agụmagụ bụ akwụkwọ niile e bipụtara gbasara otu ihe ọmụmụ maọbụ ihe ndị na-eme na ndụ nke e jiri asụsụ gbasoro usoro na uru odide asụsụ ahụ wee dee ya. Ọ gara n'ihu kọwapụta na mmereeme dị n'ụwa a na-ahụ anya, ụwa nrọ na nke anaghị ahụ so n'ihe ndị agụmagụ na-ezipụta. Agụmagụ na-

ezipụtakwa ọnọdụ dị iche iche mmadụ nkịtị na-agabiga site n'aka ekerechi, mmadụ ibe ya na omenala.

Nwokoye (2019) na nkọwa ya kwuru na agụmagụ nwere ike ibu ihe e ji akọwa maka ndụ na ihe na-ewuru ndị n'oge nke ha. Ọ gara n'ihu kwuo na ndị odee na-esite n'akwụkwọ agụmagụ ha zipụta ọnọdụ dị iche iche ndị mmadụ nọ na ya na ka o si akpagbu onye n'oge akpụ n'ọnụ. Site n'ụzọ dị otu a, na ndị odee nwere ikikere ikatọ ajọ akparamagwa ma ọbụkwanụ kwalite agwa dị mma.

**Iduuazị**

Iduuazị dị nnukwu mkpa na ndụ ndị Igbo n'ihi na ọ na-enyere ha aka ịmata ọtụtụ ihe dị iche iche na-emegasị na ndụ ha na-adị kwa ụbọchị. Ọ bụghị mmadụ niile ghọtara nke a n'ihi na ụfọdụ na-eleghara ya anya ka a ga-asị na o nweghị ihe ọ bụ. Ọ bụ ihe ndị a kpalitere mmụọ nwanchọcha ime nchọcha n'isiokwu a bụ ịtụle olu odee n'akwụkwọ iduuazị abụọ na etu ha siri bụrụ enyo nye ndị mmadụ na nghọta ọnọdụ odee n'iduuazị ya. Nwanchọcha nwekwara olile anya na onye ọbụla gụrụ edemede a ga-ebidozie nwebe mmasị n'iduuazị n'ihi na ọ bụ ya bụ enyo ndị Igbo ji ahụ ụzọ.

Okoye (1990) kọwara na iduuazị bụ nzimozi nke mmadụ chepụtara n'echiche ya ma dekwaa ya n'akwụkwọ mana ọ naghị adị n'ọgbara dị ka abụ. Ekwealor (2008) sịrị na iduuazị dị ka ngalaba agụmagụ na-akọ maka ihe na-eme na ndụ. Ọ bụ enyo e ji ahụ ndụ nakwa ihe ndị ahụ na-eme n'etiti mmadụ na ibe ya tinyere ịkọ na idepụta ụdị omenala anyị dị iche iche.

Oraka (1985) na nkọwa nke ya kwuru na iduuazị dị ka mmadụ i jiri asụsụ nka wee detuo ihe site n'ihe ọ hụrụ, ọ nụrụ maọbụ ihe ọ rahụrụ ụra wee chemie echiche ime wee chepụta iji were kụziere ndị mmadụ ihe na-eme n'ụwa. Emenanjo (1989) na nghọta nke ya

kwuru na iduuazị bụ ihe niile e dere ede tụmadụ ndị a rọrọ arọ maọbụ ndị e jiri anya okenye ji ele ihe dị n'akpa dee n'agbanyeghị mma ha mara maọbụ ma ha kwesịrị ekwesị.
Aguiyi (2010) hụtara iduuazị dị ka "Akụkọ a kọrọ akọ maọbụ nke a rọrọ arọ depụta ya n'akwụkwọ iji wee kụzie ihe na-eme na ndụ mmadụ maọbụ n'omenala ndị Igbo".

Nwadike (1992) sịrị na iduuazị malitere site na nkwalite ndị "International Institute of African Languages and Culture" (IIALC) nke ebumnobi ya bụ ịkwalite edemede agụmagụ nka nke ndị mba isi ojii Afrịka ka ha were gosi nhụrụụwa ha. Ọ kọwara iduuazị dị ka ihe na-eme maọbụ ihe mere eme nke a rọgharịrị arọgharị iji mee ka a ghara ịma onye bụ onye maọbụ ebe bụ ebe. Hornby (2000) kọwara na iduuazị bụ asụsụ ederede maọbụ e kwuru n'ọnụ nke na-eto ogologo mana ọ dịghị n'ọgbara n'ọgbara dị ka abụ. N'ịga n'ihu Procter (1978) hụtara iduuazị dị ka, "Akụkọ toro ogologo e deturu nke na-akụziri mmadụ ihe ndị na-eme n'ụwa". Ihe ndị a niile odee na-ede n'agụmagụ bụ nke ndị na-aghọta nke ama mgbe ndị ntụle agụmagụ tụlere ka ha gbaa ihe niile n'anwụ ka ndị ọgụụ ghọta ọnọdụ odee agụmagụ ahụ n'agụmagụ ya.

## Onye ntule

Onye ntule bụ onye na-eleba anya n'agụmagụ ma wepụtachaa ihe dị iche iche nke onye nkịtị agaghị enwe ike wee hụtachaa. Ọ bụ onye nkuzi n'ihi na ọ na-akụziri ọhanaeze ihe ndị ha na-amaghị maọbụ ihe ndị na-edochaghị ha anya. Ọ bụ onye mgbaama n'agụmagụ n'ihi na ọ na-akọwapụta ihe ndị zoro ezo ma nọrọkwa n'elu ya mee ka anya ọhanaeze ruo n'ihe dị na ha nakwa n'akwụkwọ ndị pụtara ọhụụ. Ọ bụ onye nkọwapụta n'ihi na ọ na-atapịa agụmagụ ka o doo ewu na ọkụkọ anya.

**Nnyocha edemede nchọpụta**

Okanume (2014) n'edemede nchọpụta ya nke ọ kpọrọ Characteristion and naming in Onyekaọnwụ's *Nwata Rie Awọ* ... na *Eriri Mara Ngwugwu* chọpụtara na akparamaagwa pụtara otu odee siri mee ka ọgụụ hụta agwa na ihe ndị mmadụ nwegasị dị ka ederede ya si dị. O nwere ike bụrụ omume, usoro maọbụ mpụtara nke akparamaagwa ahụ tụmadụ ka e si wee zipụta agwa mmadụ maọbụ ihe ha nwere. Agwa bụ ụzọ odee si egosipụtara ọhanaeze ebumnuche gbasara ụwa. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na agwa metụtara omume, echiche maọbụ okwu ụfọdụ dapụtara maọbụ e zipụtara ọtụtụ ugboro.

Ikeokwu, na Onyejekwe, (2004), n'edemede nchọpụta ha nke ha kpọrọ "Mmalite ọmụmụ na nghọta ejije Igbo ọdinala na oloroọhụụ" kọwara na agwa abụghị ihe ga na-adaghrị adagharị. Ọ ga-akwụrụ chịm. Ọ bụrụ na agwa bụ nke a chọrọ ikewapụta ka ọ na-awa anya, ka ọ wara anya site na mbido ejije ruo na ngwụcha. Ọ bụrụ agwa kara obi ya na-aka obi ebe niile na kwa mgbe niile kwesịrị ka ọ kaa obi. A bịa n'ejije *Julius Cessar* nke Willaim Shakespeare maọbụ *Obidiya* nke Enyinna Akoma, agwa Ceasar na Obidiya kagidere obi site na mmalite ejije ndị a ruo n'ọnwụ ha.

Agwụna (2010) n'edemede nchọpụta ya nke ọ kpọrọ "Ntule akanka na asụsụ nka ndị odee Igbo" kọwara agwa dị ka ihe odee na-ewebata iji gosipụta akparamaagwa na ihe na-eme na ndụ n'ụwa anyị nọ n'ime ya. O nwere ike iwebata ihe mmụta site n'ịkọcha agwa ọjọọ mmadụ. Ọgụụ na-esite na ya mụta ihe ọ mabughị. O gakwara n'ihu kọwaa isiokwu dị ka ihe ndị ahụ gbadoro ụkwụ n'ihe kpatara odee jiri dee edemede ahụ, ebumnuche maọbụ ozi ọ chọrọ izi ọhanaeze.
Enem, Asiegbu na Nduka (2006), n'edemede nchọpụta ha nke ha kpọrọ "Ịtụlekọrịta asụsụ na agwa dị n'*Eriri mara ngwugwu* na

*Ọnụkwube*,” kọwara na agwa na akparamaagwa n’ejije kwesịrị iyi ma dị ka agwa na akparamaagwa na ndụ mmadụ. Ọ kọwara na ọ bụrụ na a maa mmadụ ụra, onye ahụ kwesịrị ibe akwa maọbụ gbaa ọsọ, maọbụ magwara maọbụ zaghachi n’ụzọ mmadụ kwesịrị ịzaghachi. Agwa dị n’ejije tosiri ịkpa agwa ka mmadụ e kere eke. Ọ gakwara n’ihu kwuo na agwa bụ nke a ga-ekepụta n’ụzọ ọgụụ maọbụ onye nkiri ga-ekwenyerịrị na akparamaagwa ya bụ nke na-eme na gburugburu kwa ụbọchị.

**Atụtụ nchọcha**

Atụtụ nchọcha a bụ atụtụ Dikọnstrọkshọn, nke sitere n’echemeche Jacques Derrida. E wezuga Jacques Derrida, ndị ọzọ a maara n’atụtụ a gụnyere Roland Barthes, Jacques Lacan na Michel Foucault. Atụtụ dikọnstrọtshọn sitere na poststrọkshọralizim. Nke a mere oge ụfọdụ, e nwere ike iji dikọnstrọkshọn nọchite anya poststrọkshọralizim (Goring, Hawthorn & Mitchell, 2011 na Dobie, 2012). Dịka Li na Cheng (2011) siri kọwaa, atụtụ dikọnstrọkshọn na-eme ngụmi agụmagụ iji gosipụta na agụmagụ enweghị otu nkọwa/nghọta. Echemeche a megidere atụmatụ ndị Strọkshọralizim, ndị kwenyere na agụmagụ nwere otu nkọwa/nghọta. Ọ dịkwa mkpa ịrụtụ aka na nghọta agaghị adị ire ma e wezuga ọnọdụ.

Ọrụ nchọcha a gbasoro usoro Derrida, nke ọ kpọrọ ‘agụmugbo-abụọ’ (Dobie, 2012). Nke a pụtara na ọgụụ ga-ebu ụzọ gụọ agụmagụ n’usoro ọdịnala/nkịtị iji wepụta nghọta izugbe onye ọbụla gụrụ agụmagụ ahụ na mbụ ga-enwe. Nke a bụ ọgụgụ nke mbụ. N’ọgụgụ nke abụọ, ọgụụ ga-agba mbọ ịgbagha nghọta sitere n’ọgụgụ nke mbụ iji zipụta na ọgụgụ nke mbụ, n’ụzọ dị aṅ aa, ghagidere onwe ya. Ọgụgụ agụmagụ n’ụzọ nkịtị na-agba mbọ iwepụta nghọta maka agụmagụ mana ọgụgụ agụmagụ n’ụzọ dikọnstrọkshọn metụtara ajụmajụjụ, nke na-achọ igosipụta na ihe agụmagụ na-ekwu dị iche

n'ihe ọ na-akọwa. Dikọnstrọkshọn metụtara ngụgharị agụmagụ iji degharịa ya ma gbaghaa echemeche nghọta nkịtị agụmagụ nwere.

**Ntụcha data**
***Ụkwa ruo oge ya***
**Olu/ọnọdụ odee**

Ịhụnanya Chude na Ngozi bidoro na praịmarị. N'ebe a, odee site n'olu ya na-enwe mwute pụrụ iche n'ebe Chude na Ngozi nọ otu ha siri wee nọrọ na praịmarị klaasị mara ihe bụ ịhụnaanya. Otu ụmụaka abụọ ndị a si eme na-ewute odee maka na ọ bụghị ihe a tụrụ anya na ha ga na-eme n'oge ha nọ na ya.

Odee chọrọ ka ụmụ nwoke na ụmụ nwaanyị zeere ihe ọbụla ga-eduba ha n'ihe gbasara nwoke na nwaanyị mgbe ha ka bụ ụmụ ntakịrị ma tinye uchu n'ihe ha ga-eme ka ha wee bụrụ mmadụ n'ọdịniihu.

**Nkịtị nne Chude na-agba Chude n'ihe gbasara ije ya na Ngozi Ọnwụka**

Site n'ihe odee iduuazị *Ụkwa ruo oge ya* dere gbasara nkịtị nne Chude na-agba Chude, o gosiri na ọ bụghị mgbe niile ka a ga na-ekwu ihe ma a hụ ya mana o nwere ka ihe ahụ ga-emeruo, okenye ekwue okwu ka ihe hapụ imebi. Ndị Igbo kwuru okwu sị na e kwughị wkru mere okenye ma e kwuo ma a nụgjị mere nwata. Odee gosiri nke a ebe a sị:

> Nne ya amarala maka ije ya na Ngozị, ma ọ naghị eme ka ọ ma, n'ihi na okenye anaghị agba ama. Nne ya sụrụ ude, hapụ ya, pụọ. (ihu 10 – 11)

N'ebe a, olu odee gosiri ọnọdụ mwute n'ebe nne Chude nọ otu o siri na-ele Chude anya, ọ na-echegbu onwe ya maka nwaanyị. Odee chọrọ ka ndị nne niile mara na ọ bụ ọrụ ha ịkwụsị akparamaagwa

ọjọọ niile ụmụ ha na-akpa ka ụmụ ha ghara ịgahie ụzọ. Ọ chọrọ ka ha mụta ka e si abara ụmụ ha mba mgbe ha na-eme ihe ọjọọ. Nke a ga-eme ka ụmụ ntakịrị ahụ na-akpa ụdị agwa ọjọọ ahụ mata n'ezie na ihe ha na-eme jọrọ njọ ma sigbue nkapị n'isi.

**Ọgụ Chude na-alụso Ụmụ nwoke Ibe Ya maka Ngozi Ọnwụka**

Odee na-enwe mwute ma jiri olu mwute na-egosi otu Chude Obi si alụso ụmụ nwoke ibe ya ọgụ maka Ngozi Ọnwụka. Lee ka o si tinye ya:

> Otu ụbọchị ka Okezie na-akọrọ enyi ya nwoke akụkọ maka ihe ọma Chineke meere ya wee na-ekwu maka 'Ngozi' ọ gọziri ya, ma ọ maghị na Chude nọ ya n'azụ. Ihe ọzọ ọ nụrụ bụ 'dawam!' na ntị ya, nke kpuchiri ya anya abụọ, ọ sụọ ike n'ala. Ọ chọrọ ka ọ mụghee anya ma hụ ọkụ na kpakpando. Tupu o nweta onwe ya, ihe ọ na-anụ bụ 'kpọọ! kpọọ! Kpọọ!!' ebe Chude na-enye ya aka nri na aka ekpe. Oge o nwetara onwe ya ka ọ nụsowe Chude ọgụ, ndị mmadụ abịala igbo ọgụ. Chude amaghị ebe mmadụ si dụọ ya aka n'isi, ma mgbe ọ tụgharịrị tie ọkpọ, onye ọkpọ ahụ dara n'obi bụ Nweke. N'eziokwu, ọ bụ ọgụ ka Nweke bịara igbo, nọrọ ebe ahụ nụwa ọgụ ọ kwadoghị akwado. N'otu ntabi anya, Nweke na Chude ejula ala, na-arị ibe ha elu. (ihu 13)

Odee gosikwara ebe ọzọ Chude lụsoro nwata ibe ya ọgụ maka Ngozi. Nke a bụ n'ihi na nwata ahụ kpọrọ nne Ngozi iyi nke wutere Ngozi. Ọ maka mwute Ngozi nwere mere Chude jiri gbachitewere ya were tụọrọ nwata ahụ ọgụ. Lee ka odee si zipụta ya:

> Mgbe ụmụ akwụkwọ gbasara, ọ bụ Chude na otu nwatakịrị na-akwado ịlụ ọgụ. Ọ bụ gịnị na-esere ha?

> Nwatakịrị ahụ kpọrọ nne Ngozi iyi. Ọ bụ eziokwu na ọ bụghị nne Chude ka a kpọrọ iyi, ihe e mere ebule dị atụrụ iwe n'ihi na ihe mere ọnụ emeela afọ. Mgbe ha ruru otu ebe, ha abụọ si na 'metụ m, metụ m, ọkpọ wee rịwa ibe ya elu. Ụmụakwụkwọ ibe ha enweghị nke chọrọ igbo ha ọgụ n'ihi na o nweghị onye ihe nkiri anaghị atọ ụtọ. Ihe ha niile nọ na-eme bụ iti 'kpoo' mgbe otu onye titere ibe ya ọkpọ chara acha. Mgbe o tipụrụ nwatakịrị ahụ ọbara n'ọnụ, nwatakịrị ahụ jiiri anya ọnwụ taa ya arụ dị ka ọ bụ nkịta tara. (ihu 5)

Odee si otu a tinye ntaramaahụhụ a na-enye Chude maka oke ọgụ ọ na-eji maka Ngozi alụ:

> Nke a abụghị nke mbụ, nke ọ na-abụ nke ikpeazụ a na-apịa Chude ihe maka ọgụ dịịrị Ngozi. A pịakatala ya ihe, ọ mara ya ahụ, nke bụ na ihe a na-apịa ya bụ akụkụ ahụ ya ugbu a, maka na ebe ọ mụtara ọ rịa nnụnụ, ọ mụtakwala ufe ya. Ebe ọbụla efowere ifo gbasara ọgụ, a ghaghị ifonye Chude dị ka e si efonye mbe, maka na o jiri ọgụ dịịrị onye ọzọ mere nri. (ihu 5)

N'ihi ya, odee ji olu ndụmọdụ n'ebe a maka na ọ chọrọ ka ụmụ nwoke kwụsị ụdị agwa ọjọọ bụ ijiri maka nwaanyị na-alụso ụmụ nwoke ibe ha ọgụ maka na ya bụ ajọ agwa nwere ike idula ha mmụọ. Ọ chọrọ ka ụmụ nwoke matakwa na ọ dịghị mma isi n'ọgụ wee lụta nwaanyị n'ihi na ụdị nwaanyị ahụ ga-akpa oke nganga nke nwere ike ibute ọgbaaghara na ịgba alụkwaghịm. Odee chọrọ ka ụmụ nwaanyị zeere ihe ọbụla nwere ike ime ka ụmụ nwoke jiri maka ha lụwa ọgụ.

**Odee na-enwe mwute gbasara ndị ntọ na ndị omekome**

Odee na-enwe mwute ma jiri olu mwute na-ede banyere ndị ntọ na ndị omekome maka na a sị na ọ dịghị ihe anya hụrụ gbawa ọbara, ma o nwere ụdị ọ na-abụ ọ hụ, ike adịghị ya agba ọbara, ọ gbawa ihe yiri ọbara. Lee ka odee si tinye ya:

> Ndị abalịdịegwu emekatala ihe n’Enugwu, ndị ọrụ bido tinyewe akwụkwọ maka ije ebe ọzọ. Mgbe ndị ụwe ojii na-achọ ụzọ ha ga-esi menyụọ ha anya, ịtọrọ mmadụ wee bido wube. A na-akọ n’akụkọ sị na ọ dị otu ebe n’ọdịda anyanwụ e ji mmadụ dị ndụ agwọ ọgwụ. Ndị na-agwọ ọgwụ ahụ nwere ndị ọrụ n’ebe dị iche iche, ndị na-atọtara ha mmadụ ha na-eji agwọ ọgwụ. Ihe ha na-akwụ ndị ọrụ ha bụ narị naịra abụọ n’isi otu onye ha tọtaara ha. Ndị abalịdịegwu ahụla ụzọ ha ga-esi baa ọgaranya, wee hapụ ohi a kpata, e rie. Ndị mmadụ na-eji ụmụ ha aka nke ukwu, ma nwa ga-anwụ anwụ, iku n’ahụ agaghị azọpụta ya. (ihu 60)

Odee ji olu mgbagwoju anya na-egosi amaghị ihe a ga-eme gbasara agwa ndị na-atọ mmadụ. O si otu a gosipụta ya:

> Ọtụtụ mmadụ efuola, ọtụtụ na-efu ugbu a, ọtụtụ ga-efukwa n’ọdịniihu. Ihe nke a abụrụla ihe a maghị ka a ga-eme ya, n’ihi na a na-ekwu nke mere, nke emebeghị a na-eme. Nna Ngozi lọtara ọrụ, hụ akwụkwọ a tọgbọọrọ ya n’ọnụ ụzọ be ya. Mgbe ọ tụgharịrị ya, ọ hụrụ aha ka e dere n’ụlọ be ya. Mgbe ọ gụrụ ya, o kweghị n’ihe anya ya hụrụ bụ eziokwu. Ọ bụ ndị ahụ na-atọrọ mmadụ deere ya akwụkwọ, sị ya were narị naịra abụọ jee dowere ha n’akụkụ mmiri ala dị n’Enugwu, ma ọ mara na ha agaghị echeta ya. Ha

> dọrọ ya aka na ntị ya anwala anwa gosi ndị uwe ojii akwụkwọ ahụ, maka na ọ bụrụ na e siere ha ọnya, nke ka njọ ga-eme. Nke ka njọ ugbu a bụ na ndị mamdụ hụrụ na onye ndị a deere akwụkwọ, o were ego dowere ha, wee bido isi ụzọ ahụ jiri mmadụ ibe ha kpaba ego nke bụ na anaghịkwa ama mgbe ndị ahụ dere, na mgbe onye nkịtị chọrọ ịghọgbu ibe ya, makana mkpu aghụghọ ekweghị ndị mmadụ amara mgbe agụ bakwutere ewu n'eziokwu. (ihu 60)

Ndị ntọ zigaara Ọnwụka akwụkwọ gwa ya ego ole ọ ga-enye ha ma ọ bụrụ na ọ chọghị nsogbu. Maazsị Ọnwụka enweghị ihe o ji akwụkwọ ha detaara ya kpọrọ chee na ọ bụ ndị iro chọrọ ịratu ya. Ndị ito iji ụzọ aghụghọ were kpara Ngozi nwa ya aka iji gwa ya na ọ bụghị egwu ka ya na ha na-egwu. Ndị ntọ ji ụzọ aghụghọ zitere Ngozi akwụkwọ e ji kpọ ya ule maka ịba mahadum n'Ibadan. Odee si otu a gosi ka aka ndị ntọ si kpara Ngozi:

> Ụbọchị a sịrị ya bịawa ule eruola, o kweghị ka chi bọọ abọọ, teta, wụchaa ahụ ya, gawa ebe ha ga-anọ lee ule. Mgbe mgbede ruru, nna ya ahụghị ya. O wee bilie, chọrọ ya gawa, maka na akịdị sị na ụra kwere izu aghọọla ọnwụ. Mgbe nna ya ruru ebe ahụ, ọ hụghị mbubo e ji kụọrọ enwe mmanya, nke o ji ahụ enwe n'onwe ya. Mgbe ọ larutere n'ụlọ, ndị mmadụ sị ya ejela gwa ndị uwe ojii maka na ọ nwaa anwaa, Ngozi efunyụọ anya. Ha gwara ya ka o jiri nwayọọ were ụkwụ chọwa ihe danyere na mmiri. Ha bidoro chọwa onye abalịdịegwu ọ dị ha ka ọ ga-ama ndị tọọrọ Ngozi, ka ọ ga-abụ a chọpụta, ike kwe ihe ha sị ka eweta e si n'aka nara nye aka wee ruo aka. Mgbe Maazị Ọnwụka mefuru ego hiri nne n'ahụghị Ngozi,

> ọ chọrọ ka ọ kwụọ ụdọ, ma ndị mmadụ jidere ya, kasiwe ya obi, sị ya na a gaghị ewere iwe oke suo ụlọ ọkụ.
> Ndị mmadụ duuru Maazị Ọnwụka jee na nke ndị uwe ojii. Mgbe ọ kọchaara, ndị uwe ojii sị ya jee weta akwụkwọ ahụ e ji kpọọ Ngozi ule. Mgbe ha jiri akwụkwọ ahụ e ji kpọọ ya jụọ ase, ha chọpụtara na ọ bụghị n'aka ndị ụlọakwụkwọ ahụ dị n'Ibadan ka o si bịa. Mgbe ahụ ka o foro onye ọbụla n'anya na ọ bụ ndị ahụ na-achọ ụzọ ha ga-esi tọrọ Ngozi dere akwụkwọ ahụ, nọrọ n'Ibadan zipụ ya. Ndị uwe ojii ahụ kwere nkwa na ha ga-eme otu a, mee otu a, wee chọpụta ebe Ngozi nọ. Ọ bụ eziokwu na ha ekwela nkwa, echi dị nso bụ ndị maara ụzọ ga-eru. Mgbe mmadụ bidoro gbawa Maazị Ọnwụka abụọ n'anya bụ mgbe ndị uwe ojii bịara sị ya na ha anwaala oke ha, na ihe ha na-achọ enweghị isi. Maazị Ọnwụka amaghị ihe ọ ga-eme maka na ihe nyịrị ndị uwe ojii ịchọpụta, mmadụ nkịtị agaghị ama ebe ọ ga-esi tinyewe aka. Ihe ehi hụrụ gbaa ọsọ, ọkụkọ agaghị anwa anwa gaa tụọ ya ọnụ. (ihu 62)

Ọnọdụ odee n'ebe a na-egosi obi nkolopu mgbe ndị uwee ojii o chere na ha ga-enyere ya aka chọta Ngozi bịara gwa ya na ha emeela ike ha mana ha ahụghị Ngozi.

Ka ndị uwe ojii ma ndị chọrọ ịlụ Ngozi gharịpụchara n'ịchọta Ngozi, Chude bụ onye dara n'ọrịa mgbe ọ nụrụ ihe mere Ngozi, n'agbanyeghị ahụhụ nna Ngozi tara ya ka ọ kwụsị isogharị Ngozi nwa ya. Odee si otu a gosi ya:

Mgbe Chude si n'ụlọ ọgwụ hapụ, ebe ọzọ a hụrụ ya bụ na be Maazị Ọnwụka. Mgbe nna Ngọzi hụrụ ya ka o ji bido bewe nke bụ akwa. Anya mmiri juru Chude isi, ma ihe o mere bụ na o jere jide nna Ngọzi n'aka, kwe ya nkwa na kama ya agaghị ahụ Ngọzi anya ọzọ, ka ya onwe ya fuo ebe ya na-achọ Ngọzi. Ọ ṅ ụụrụ onwe ya iyi sị na ọ sọ ya, ya nọrọ n'ọkụ gbajie mịpụ na mkpara, kama ya bụ ọkụkọ agaghị atụta mkpụrụ akwụ, ọgịrịga dị n'isi akwụ rụkpọọ ya anya. Ebe ọ bụ na Ngọzi bụ ozu nwụọrọ dịrị ya, ya bụ onye nwe ozu ga-ebu ya isi. Ọ bụrụ na nna Ngọzi ma na ụbọchị a ga-achụ aja na nkịrịka nkata ga-aba uru, ọ gaghị eme Chude ihe o mere ya. Ọnọdụ odee bụ nke nkasiobi, ịgba ume na ikwe nkwa. Mgbe nke a na-eme, Chude kpebiri n'obi ya na ọ ga-aga ịchọ Ngọzi. Ọ gakata, ọ dị ya ka o nwere onye na-eso ya n'azụ. Mgbe ọ tụgharịrị, naanị ọchịchịrị ka ọ hụrụ. Mgbe ọ na-achọ ka ọ gawa ọzọ, ihe ọ nụrụ bụ. 'kwụrụ ebe ịkwụ.' Obi fepụrụ Chude. Ka ọ na-atụgharị, ihe ọ hụrụ bụ ọnụ egbe onye abụọ rụdoro ya n'eze ihu. Ọchịchịị ekweghị ya hụ ihu ndị ahụ ji egbe nke ọma. Ka a na-eme, lee nwoke ahụ ọ na-eso n'azụ ka ọ gaghachitere, sị ha kee ya aka abụọ n'azụ. Mgbe Chude chọrọ ka ọ rịọ ka ha ghara ike ya aka abụọ n'azụ. Ike egbe otu onye n'ime ndị ahụ sụrụ ya n'ekwu ekweghị ya mara ebe ọ nọ ọzọ. Mgbe ọ mughere anya, ebe ọzọ ọ hụrụ onwe ya bụ n'ime ụlọ -ọkụ adịghị. Aka e kere ya n'azụ ekweghị ya si ebe o dina n'ala bilie. Ọnọdụ odee ebe a gosiri ịta ahụhụ na ihe mgbu. (ihu 63)

***Isi akwụ dara n'ala***

**Mgbakasị ahụ ụmụ agbọghọ ụfọdụ na alụghị di na-enwe**

Odee gosiri ọnọdụ mwute, obi adịghị mma, obi erughị ala na iwe ụmụ agbọghọ alụbeghị din a-anọ mgbe niile maka na ha alụbeghị di. Lee ka odee si gosi nke a n'iduuazị ya:

> Ọ dịghị onye na-ajụ ya ma ọ kpọwara akpọwa, ma ọ na-ere ere. Obi adịghị ya mma. Ọ nọkata, o jee n'ugegbe na-ele onwe ya, ka ọ mara ma ọ jọrọ njọ nke ukwu, nke mere na ụmụ nwoke anaghị ele ya ezigbo anya. Ọ nọrọ oge ụgọdụ ihu ya agbarụọ ka mmiri ruru n'igwe. Iwe na-eju ya obi nke bụ ọnọdụ iwe na ọ na-anọrọ n'otu akụkụ na-eche otu n'ime ụmụnne ya ga-agwa ya okwu, ka o jiri onye ahụ zee iwe dị ya n'obi. Ọnwa ọbụla gafere, Ada Okafọ ejiri otu ọnwa karịa afọ ole ọ gbara n'ọnwa gara aga. Ego niile a na-akwụ ya n'ụgwọ ọnwa bụ maka iji chọọ onwe ya mma. Ma ebe ọ bụ na ọ dịghị nwoke na-eghe ya ezigbo ọnụ, ma ya fọdụ ikwuwe okwu mwute ịlụ ya alụ, ọ na-adị Ada ka ego niile ọ na-emefu wee na-achọ onwe ya mma bụ ihe lara n'iyi. (ihu 2)

Odee chọrọ ka ụmụ agbọghọbịa n'alụbeghị di ghara ịdị na-enwe mgbakasị ahụ n'ihi ọnọdụ alụghị di. Ọ chọrọ ka ha bụrụ ndị ga-enwe obi anụrị na obi ụtọ mgbe niile maka na onye nwere ndidi na-eri azụ ukpoo.

**Agha na ihe ọ na-emegasị**

Agha enweghị mgbe o ji bụrụ ezi ihe. E kwesịrị igbochi ihe ọbụla ga-ebute agha n'ihi na ihe mbibi na-eso ya dị ọtụtụ. Lee ka odee si zipụta ya n'akwụkwọ e ji eme ntụcha nchọcha a:

> Mgbe agha bidoro n'Enugu, ụmụ nwaanyị na-eti mkpu, na-achọ ụmụ ha. Ndị okokporo adịghị onye ha

> na-ajụ ase ya. Onye sekpụrụ akpa ya, o che ihu n'ụzọ Awgu. (ihu 23)

Olu odee gosiri ọgbaaghara n'ebe a. Ọtụtụ nsogbu dapụtara na be Chike na Ada ka agha dara ma bata Enugwu, e wee malite ịgba ọsọ agha. Lee ka Ubesie si tinye ka ihe si dewe ihu be Chike na Ada:

> Chike bara n'ime ụlọ be ya, lewe akụ niile ọ kpara anya. Ọ maghị maọbụ uwe ya ka ọ ga-achịrị hapụ ihe ndị ọzọ. Ọ maghị maọbụ ụdị oche dara ọnụ o nwere na be ya ka ọ ga-ebuwe, hapụ ihe ndị ọzọ. Ụwa gwụrụ ya ike. Ihe niile gbagwojuru ya anya. Naanị akwa ka Ada na-ebe. Akwa ada na-ebe ekweghị Chike mara nke ọ ga-eme eme. Naanị ihe o mere bụ na o ji nwayọọ buru mmiri o ji kwọọ aka pụta ezi, dọwa ya n'akụkụ ụlọ, nọrọ na-ele n'anya. Naanị na chi ya dị ndụ mere na sheel ebeghị ya abụọ. Naanị akwa ka Ada na-ebe, chi wee jie. Mgbe chi foro, ndị mmadụ malitere lụwa ka ụda egbe na-adasi ike, wee buru n'uche na ndị iro abatala Enugu. Ebe Ada nọ na-ebe akwa, lee moto Chike ka o si ụzọ Awgu na-abịa. Obi dị ya mma na moto di ya bịara, ma obi di ya ilu na ọ hụghị di ya na diọkpara ya. (ihu 23)

Odee nọ n'ọnọdụ mgbagwojianya n'ebe a.

Odee gosiri ka Ada na onye na-akwọrọ ha ụgbọ ala si nọrọ. Ka ọkwọ ụgbọ ala ha bulara ihe ha ụfọdụ ma lọghachite ha were nọdụ na-eche ka Chike gara ịchọ Chukwuma ha gbaghara n'Enugwu chighata. Lee ka odee si tinye ya:

> Nwoke na-akwọrọ ha ụgbọ bịara soro ya nọrọ ala n'akụkụ akwa mmiri, na-eche ka Chike lọta, ma ọ dịghị ebe ọ hụrụ Chike. Nwoke ahụ sị ya baa n'ime ụgbọ ahụ ka ya bupu ya, ka naanị ya nọrọ ebe ahụ

> chewe Chike, Ma Ada jụrụ ajụ. Ọ bụrụ ọnwụ, ọ ga-anọ ebe ahụ hụ ya. Ọ bụrụ ndụ, ịla azụ adịghị ya. Nke mewere ya mewe. Ebe ha abụọ na-arụ ụka, otu nwoke buuru ọbara n'isi si Enugu gbara ọsọ na-apụta. Ada jụrụ ya ihe mere, o wee sị Ada na ọ bụ ebe sheel merụrụ ya ahụ. Ada wee jụọ ya ma ọ hụrụ di ya, ọ sị Ada na ọ bụ naanị ya bụ mmadụ dị ndụ fọrọ n'Enugu. Ọ kọọrọ ha na o nwekwaghị onye dị ndụ n'ime Enugu mgbe ya ji si Enugu gbapụtawa, na ozu mmadụ juru ọhịa na ụzọ. Ada mabuuru onwe ya tụọ n'ala. Ebe di ya jere ịchọ Chukwuma, a hụghị di ya a hụghị Chukwuma. A nwụụrụ nchi dị ndụ n'aka chụwa mgbada, nke e ji n'aka wee gbanahụ ha. Ada na-ebe akwa. Onye na-akwọrọ ha moto na-ebe akwa. Ma mgbe Ada nọkatara tikapụ ọsọ ka nwoke ahụ na-akwọrọ ha ụgbọ ji mara na ọ bụrụ na o meghị ngwa ngwa, a chọwa mmadụ atọ achọwa. (ihu 26)

Olu odee ebe a gosiri ume nkolopu na-enweghịkwa olileanya. Odee gosiri ka onye ọkwọ ụgbọ ala Chike si me mgbe Ada chọrọ ịga daba na mmiri. Lee ka o si tinye ya:

> O wee jiri ọsọ chụwa Ada. Tupu Ada agbaruo n'akwa mmiri ahụ ka ọ dabanye na mmiri , nwoke ahụ wee jide ya n'ukwu. Ada siri ọnwụ na-azọ ka ya mịrị onwe ya, malaa n'ime mmiri ahụ, ma nwoke ahụ ekweghị ya. Ebe ha abụọ na-azọ onye ga-emeri ibe ya, 'Ada', Ada wee tụgharịa n'ike, hụ Chike ka o si ụzọ Enugu gbara ọsọ na-abịa. (ihu 27)

Ọnọdụ odee ebe a gosiri ume nkụda na inwe olile anya. Ọ dị otu a maka na ha ahụla Chike na ọ bụghịzị ma Chike ma Chukwuma ka a na-achọzị. Ọnọdụ dị otu a ka agha na-ebute ebe a ga-agbawa ọsọ ndụ o nweghịzị onye ga-eme ebe ibe ya tinyere isi.

Ndị Igbo kwuru okwu sị na anaghị eji anya ọma aga ụka ekpere. Ụdị ọsọ a na-agba n'oge agha bụ nke ga-abụ ịhụ ka a gba abịa, i soro gbara gawa. Agụụ na-agụgodu gị, i buru agụụ na-agba. Ị ga-echeta iri nri ma ọ dị gị ka ndị na-achụ gị a nọ nso. Odee si otu a gosi ka Chike na ndị be ya si gbara laruo be ha n'Oko:

> Ha gbara kilometa asatọ n'ụzọ, ma ha ahụghị ewu na ọkụkọ, ma ya fọdụ ịhụ mmadụ. Ụdị ọsọ a na-abụ onye a gbaruru be ya, o soro ndị gbatara be ya wewe ọsọ. Nwoke ahụ na-anyara ha ụgbọ na-enye ụgbọ ọkụ ka a na-anwụ anwụ. Ọ bụrụ na ọ bụ mgbe ụbọchị dị mma ka ọ na-agba ụdị ọsọ a, Chike gara ịbara ya mba. Ma nke a bụ ọsọ ndụ. E jighị anya ọma agba ya. Mgbe ha ghara ihe dịka kilometa iri abụọ na isii ha malitere hụwa ndị mmadụ. Ha achọghị ịkwụsị n'obodo ahụ ruo mgbe ha pụtara otu ebe ahịa na-azụ. Ha kwụsị ụgbọ ha n'aka nri ka ha baa ime ahịa mara ma ha a ga-azụta ihe oriri ha ga-eji kwụsịlata agụụ. Ha zụtachaa ihe oriri richaa wee kwụlie moto ha, do ihu n'obodo ha bụ Awka. N'Awka, ndị gbatara ọsọ ndụ karịrị ndị nwe obodo. I lee anya n'aka nri, ị hụghị onye agha, ị hụ onye uwe ojii. Ụmụnwaanyị anaghị ekwe ụmụ ha ndị nta gbafee okporo ụzọ naanị ha maka na moto na-ekwo ekwo n'ụzọ ahụ. Nke ọbụla na-ebuju ebuju nke ọma, burukwa ndị mmadụ n'ebe kwesịrị na ọ ga-ebu ibu. Agha mezịrị ndị mmadụ a na-agba ọsọ aga n'ebe dị iche iche, ụfọdụ gbaara ọsọ gaa na be Chike, ha na nne Chike a nọrọzie. Otigbu nwata n'ihu nne ya bidoro na-echere ndị mmadụ aka mgba. O nweghịzị onye hụrụ tụtụrụ rachaa ọbụladị Chike n'onwe ya. (ihu 27)

N'ebe a, odee na-enwe mwute otu agha si ala ndụ ndị mmadụ n'iyi ma na-emekwa ka ihe na-esiri ndị mmadụ ike. Onye bụbu ọgaranya, bịazie ọ bụrụ ogbenye ọnụ ntụ. Nke a pụtara ihe na ndụ Chike onye nke bụbu ọgaranya ma ugbua ọ bụzị ogbenye ọnụ ntụ.

Odee chọrọ ka onye ọbụla mata na onye bụbu ọgaranya taa nwere ike ịbụ ogbenye echi nke agha maọbụ nsogbu ụwa ndị ọzọ nwere ike ibute. Ọ chọrọ ka onye ọbụla na-adị njikere mgbe niile maka nsogbu nwere ike ịdapụta n'ụzọ ha maka na mberede nyịrị dike ma mberede ka e ji ama dike.

**Ekwesịghị ntụkwasịobi ụmụ nwaanyị n'ebe di ha nọ**

N'ebe a, odee na-enwe mwute etu ada siri wee nọrọ na be di ya wee na-esogharị ụmụ nwoke dị iche iche ma ndị amị ebe di ya bụ Chike ka nọ ndụ. Lee ụzọ odee si zipụta ya:

> Otu ụbọchị ka Ada kpọọrọ enyi ya nwoke onye amị bịa n'ebe ya bụ Ada na Chike bi, Ada wee kpọọ Chike, Chike wee welie ihu ya ka ọ mara ihe Ada na-akpọrọ ya. Ada sị ya: 'Buru ihe oriri gị jee n'ala n'ihi na mụ na mmadụ nọ n'ebe a!' Chike amaghị ma ihe ntị ya nụrụ ọ bụ eziokwu. (ihu 80)

Olu odee ebe a na-ezipụta akwa arịrị.

> Chike wee buru ihe oriri ya dọba n'ụlọ, para oche pụọ n'ezi, nọrọ n'ọnụ ụzọ na-eche ihe chi ya na aka ya na-eme ya ihe a. Chike nọ n'ezi na-egere ihe nwunye ya na onye amị ahụ ji ya akọ. (ihu 80)

Olu odee ebe a gosiri mkparị na nleda anya.

Otu ụbọchị ọzọ ka Ada kpọrọ Chike n'ụdị mkparị na nleda anya sị ya, 'Chike, ka anyị jee egwu bịa.'

Chike amaghị ihe ọ ga-asa nwunye o ji ego ya lụọ, na ya bụ Chike nọ na be ya, nwoke ibe ya abịa duru nwunye ya jewe egwu n'ajụghị ya ase.
'Chike, ị naghị anụ ihe m na-ekwu? Ka anyị jee egwu bịa.' Ada na nwoke ahụ wee bilie, gawa egwu.
Odee chọrọ ka ụmụ nwaanyị nọ na di kwesịrị di ha ntụkwasịobi n'agbanyeghị etu ọnọdụ siri wee dịịrị ha. Ọ chọrọ ka ụmụ nwaanyị nọ na di kwụsị ịdị na-esogharị ụmụ nwoke ma mata na ọ dịghị ọnọdụ na-adịgide maka na o tee aka o jiri dị njọ, ọ dị mma.

**Ịgba alụkwaghịm**

Odee na-enwe mwute etu Ada na Chike bụbu a hụghị na e righị siri wee gbaa onwe ha alụkwaghịm, chezọzie etu ha siri wee hụ onwe ha n'anya mgbe ha lụrụ onwe ha ọhụụ.
Olu odee ebe a gosiri mwute na Chike enweghị mmụọ mgbaghara. Odee chọrọ ka di na nwunye na-enwe obi mgbaghara n'agbanyeghị ihe di ha maọbụ nwunye ha mere ha.

**Nchịkọta**

N'*Ụkwa ruo oge ya* nke T. Ubesie dere, ọ na-akọwa etu nwa okorobịa na etu nwa agbọghịbịa (Chude na Ngọzi) si wee jisie onwe ha ike n'ịhụnanya ha nwere onwe ha n'eleghị anya n'ọtụtụ nsogbu na mmekpa ahụ dịịrị ha.

Ya bụ na onye ọbụla kwesịrị ịkwụdosi ike n'ihe ọ chọrọ ma ghara ịdị na-ele nsogbu anya mgbe ọ na-abịa.
N'*Isi akwụ dara n'ala* nke T. Ubesie dekwara bụ akụkọ otu nwoke na otu nwaanyị (Chike na Ada). Mgbe Chike lụrụ Ada ọhụụ, ha abụọ na-ebi n'udo maka na Chike nwere ego ụbọchị dịkwa mma. Ma mgbe agha dara, Chike wee bụrụzie ogbenye ọnụ ntụ, nke a mezịrị

ka Ada bido iso ụmụ nwoke ọzọ ma na-akparị Chike n'ụzọ dị iche iche.
Mgbe agha biri, Chike bịazie laghachite n'ọnọdụ ọ nọbu na mbụ bụ ọnọdụ aka ji akụ. Ada chọrọ ka ọ lọghachi azụ na be Chike mana Chike ekweghịzị na ọ ga-alụkwa Ada ọzọ. O nyere ya ego ọ ga-eji gbaa ụgbọ ala lawa be nna ya. Chike sịrị ya lawa be nna ya n'ihi na Isi akwụ dara n'ala edetụla aja na ya bụ Chike anaghị eri ihe e rifọrọ erifọ.

Onye ọbụla nọ ndụ kwesịrị ịbụ onye kwesịrị ntụkwasịobi tụmadị n'ebe di na nwunye nọ. Ọ bụrụ na Ada kwesịịrị Chike ntụkwasịobi mgbe ego niile Chike nwere gwụrụ, Ada akaghị ịhụta onwe ya n'ọnọdụ jọgburu udele ma sigbuo nkakwụ n'isi ka agha biri.

**Alo nwanchọcha**

Nwanchọcha na-atụ alọ ka ndị odee agụmagụ Igbo na-ewebata akanka n'agụmagụ ha na-ede nke ha tụrụ anya na ndị Igbo ga na-agụ iji mata ihe ndị ha amaghị, cheta ihe ndị ha chefuru, sizie n'ụzọ dị otu a na-echekwa omenala na ọdịnala ha.

N'aka nke ọzọ ọ na-atụkwa alo na o kwesịrị ka ndị mmadụ were ihe gbasara ide iduuazị kpọrọ ihe ma tinyekwa uchu na ya karịchaa iji belata nsogbu niile ndị nwere ike ịdapụta na ndụ mmadụ nakwa obibi ya n'ihi na iduuazị bụ otu ụzọ ndị mmadụ si amata ihe ha amaghị na-eme n'ụwa anyị nọ n'ime ya taa.

Dịka n'ebe ịgụ iduuazị dị, nwanchọcha na-atụkwa alo na o kwesịkwara ka onye ọbụla nwee mmasị n'ebe ịgụ iduuazị dị, kpọọ ya mkpa n'ihi na ọ ga-enye aka ichemi echiche ime banyere nsogbu ndị mmadụ na-adabakarị n'ime ya, iji wee mata usoro a ga-agbaso n'ibelata nsogbu ndị a.

Ọzọkwa bụ na nwaafọ Igbo ọbụla kwesịrị ịgbadosi ụkwụ n'ala ike n'ihe gbasara inyocha iduuazị i ji nye aka mata ọtụtụ ihe na-eme na gburugburu ya nakwa n'obodo ndị ọzọ dịgasị iche iche.

**Mmechi**

Onye ọbụla dị ndụ kwesịrị ịma na tupu o nweta ihe dị mma na onye ahụ ga-agabiga ọtụtụ ihe ụfụ na ihe mmekpaahụ, maka na o nweghị ihe dị mma na-adị mfe inweta.

Mmadụ ọbụla dị ndụ kwesịrị ịkataobi e ji ebi n'ezinụụlọ tupu o tinyewe isi ya n'ihe gbasara alụmdi na nwunye. Onye ọbụla kwesịrị ịdị nkwadobe n'ihe niile tupu ochewe echiche ịlụ di maọbụ ịlụ nwunye.

**Edensibịa**


Aguiyi, A. I. (2010). Iduuazị. In E. C. Osinomumu, R. B. Ibiowotisi, S. O. Agwuna & C. C. Ekwealor (eds.) *Readings in Igbo and other Nigerian Languages,* Nwafor Orizu College of Education, *Nsugbe*. Onitsha: Mid-field.

Agwuna, S. (2010). Ntụle Akanka na Asụsụ Nka ndị Odee Igbo. In Osinomumu, C. E., Ibiowotisi, B. E., Agwuna, S. O. and Ekwealor, C. C. (eds). *Readings in Igbo and Other Nigerian Languages*. Onitsha: Mid-field.

Dobie, A. B. (2012). *Theory into practice: An introduction to literary criticism*. Boston: Wadsworth.

Ekwealor, C. C. (2008). *Omenala na ewumewu ndị Igbo*. Onitsha: Palma.

Ekwealor, C. C. (2012). *Agụmagụ ederede Igbo n'ozuzuoke.* Nsukka: Paschal Communications.

Emenanjo E.N. (1989). *Igbo maka sinio sekondiri*. London: UP.

Enem, N. Asiegbu, A. & Nduka, D. (2006). Asụsụ na agwa ndị pụtara ihe n*'Eriri mara ngwugwu*. NCE project, Nwafor Orizu College of Education, Nsugbe.

Goring, P., Hawthorn, J. & Mitchell, D. (2011). *Studying literature* (2nd edition). London: Bloomsbury Publishing Plc.

Hornby (2000). *Oxford advanced learners' dictionary* (7th ed.) New York, University Press.

Ikeokwu, E.S. & Onyejekwe, M.C. (2004). *Mmalite ọmụmụ na nghọta ejije Igbo.* Enugu: CIDJAP Press.

Meyer, M. (1997). *The compact bedford introduction to literature.* USA: Martin's Press.

Ndibe, P.N. (2016). "Ọdịnịgha Igbo". In Anidobe, C. J. (Eds.), *Fundamentals of Igbo Studies (Compendum),* Lincel, 59 – 66.

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala agụmagụ*. Nsukka: Ifunanya.

Okanume, E. S. (2014). Characteristion and naming in Onyekaọnwụ's *Nwata Rie Awọ …* na *Eriri Mara Ngwugwu.* B.Ed project, University of Nigeria Nsukka.

Ọraka, C., Ezikeojiakụ, C. and Nwadike, I. U. (1985). *Uju agụmagụ Igbo*. Awka: Oktek.

Procter, P. (1978). *Longman dictionary of contemporary English.* London: Pitman.

Ubesie, T. U. (1973). *Isi akwụ dara n'ala*. Ibadan: Oxford University Press.

Ubesie, T.U. (1973). *Ụkwa ruo oge ya, ọ daa*. Ibadan: Oxford University Press.

Uzochukwu, S. (2007). *Akanka agụmagụ na nnyocha agụmagụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.